# ÓKÉ OSIMIRI UHIE; MMERI ISRAEL MERIRI NDỊ IJIPT

## Ọpupu 13:17-22; 14:1-31; 15:1-21

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 57 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Okwukwe ka ha ji gabiga n'etiti oké osimiri Uhie dika ọ bu ala kpọrọ nku" (Ndi Hibru 11:29).**

**Amalitere Ọpụpụ Ahụ**

Ụmụ Israel malitere ijè mmeri ha ijéru Ala Kenean. Ọ bụghị ebe dị anya nke ukwuu, n'ihi na anyị chetara na ụmụ Jekob esiwo na Kenean jee Ijipt ịzụta nri ugbò abụọ; ma mgbe Jekob nwụrụ, Josef na óké igwè mmadụ sitere n'èzínaụlọ ya na ndị náejere ya ozi laghachịrị na Kenean ịga lie nna ya. Asị na ndị Israel sooro ndụmọdụ niile nke Moses nyere ha wee were obi ha niile tụkwasị na Chineke, ha gaabaworị n'ihe nketa ha na mgbe náadịghị anya. Ma n'ihi ekweghịekwe na nnụpụisi, ha jègharịrị n'ọzara iri arọ anọ, rue mgbe ndị ahụ niile nwụsịrị ewepụ Keleb na Joshua, nime ndị niile karịrị arọ iri abụọ mgbe ha rapụrụ Ijipt.

Chineke alụwo óké ọlụebube dị icheiche iji mee ka ndị Ijipt kwenye ka ndị Ya laa, ma mmeri nke dịkarịrị ukwuu ka dị n'iru. Ọ dịghị anya ndị ịjipt si na mwute nke ọnwụ ụmụ ha eburu ụzọ mụọ nwụrụ wee mata onweha, na ha kpebiri na ha mere ihe náezighịezi n'ikwe ka ndịorù ha laa. Ma ndị Ju alụworo ndị ahụ náachị ha n'iheike ọtụtụ ọlụ dị ukwuu, ọpụpụ ha gaemetụta kwa ha nke ukwuu.

Mgbe Fero hụrụ ụzọ ha siri jee (igwè mmadụ ruru nde atọ ha na anụmanụ ha nile agaghịapụ ime ka aghara ịmata ụzọ ha si gaa), o wee nye ndịagha ya iwu ka ha were ịnyinya na ụgbọala chụso ha. Ọ dị ụzọ dị nso karịa nke eze chere na ha gaesite; ma n'ihi na nke a gabigara ala ndị Filistia, ndị amaara nkeọma na ha gaebuso ha agha, Chineke eduziwo Ụmụ Israel ka ha soro ụzọ sitere n'Osimiri Uhie. Chineke maara na ndị Ya ejikereghị ịlụ ọ̀gụ̀ ngwangwa esi n'ịbụ orù mee ka ha nwere onweha, mgbe ọ naadịghị mgbe ọ bụla ha nwere ohere iguzosịike n'ihe ha maara bụ nke ha maọbụ ịlụ ọ̀gụ̀ iji nápụta onweha. Eleghịanya, Fero chererị na ha efuwo mgbe ha naesoro ụzọ a dị warara n'etiti ugwu na osimiri Uhie n'iru ha. Eleghịanya, ọ chịrị ha ọchị, wee chee n'obi ya na ọ gaabụ ihe dị mfé ịchụsọ ha mee ka ha laghachị n'Ijipt.

**Odudu Chineke**

Ma Chineke naedu ndị Ya. N'ehihie ogidi igweoji naejé n'iru ha iduzi ha ụzọ na ịbụ ihe mkpuchi site n'okpomọkụ nke anyanwụ (Abù Ọma 105:39). N'abalị ọ bụ ogidi ọkụ náedu ha mgbe ha naaga, bụrụ kwa ìhè nye ha. Chineke n'Onweya naagwa ndị ahụ okwu site n'ogidi ahụ, náegosi na Ya na ha nọ n'ebe ahụ (Ọpupu 16:10, 11; 33:9). O dubatara ha n'ebe a dị mkpagide ka O wee gosi kwa ike ukwuu Ya ọzọ.

Mgbe anyị bịaruru n'ebe ihe siriike, anyị ekwesighị ịtamùntamù, náekwu na Chineke anyị adịghị elezi anyị nkeọma. Anyị kwesịrị ịtụkwasịobi na Ọ maara ihe kachasị mma, anyị ewee nọdụ n'okpurù uche Ya ka O wee site ná ndụ anyị wetara Onweya otuto.

Ụmụ Israel ekwesiwo ịmụta ịtụkwasị Chineke obi n'oge dị ugbu a, mgbe ha hụsịrị ọlụebube ahụ niile nke Ọ lụrụ n'Ijipt; ma ngwangwa ha hụrụ ndị Ijipt ka ha naachụso ha naazụ̀, ha wee tụọ egwù. Ha chere na ha gaje ịnwụ, wee chee na ịbụ orù n'Ijipt dị mma karịa ọnwụ.

**Agha Nke Jehova**

Moses amaghị ha ikpé n'ihi egwù ahụ ha tụrụ, n'ihi na ọ matara na ha adịghịike. Ọ gbara ha ume site n'okwu ndịa mara mma: "Unu atula egwù, guzo onwe-unu n'ebe a, hu nzọputa JEHOVA . … JEHOVA gēburu unu agha, ma unu onwe-unu gāgba nkiti." Ọ̀ gaghị abụ ihe dị ebube iguzo wee náele Chineke ka Ọ naalụrụ ha ọ̀gụ̀? Anyị onweanyị nwekwara ụdị ohere dị otú a taa. Chineke naachọ ka anyị dere duu wee rapụ Ya ka O gbooro anyị mkpà anyị niile. Anyị ekwesịghị ichegbu maọbụ dọkasịa onweanyị mgbe ihe náadịghị agazi; ma ọbụrụ na anyị atụkwasị Jisọs nchegbu anyị niile Ọ gaedozi ihe niile.

**Agbara Gburugburu**

Chee uche ụdị ọnọdụ nke óké igwè mmadụ a nọ nime ya. Ugwu dị ha n'akụkụ abụọ, ndịagha Ijipt nọ ha n'àzụ̀, óké osimiri dị ha n'iru. Cheta kwa na ha ji ụkwụ náeje, náejighị ngwaagha ọ bụla ha gaeji lụọ̀gụ̀. Ọ dịghị ihe ha nwere iji mepụta ụgbọ ha gaeji gabiga mmiri ahụ. Ma ha nwere Chineke! Chineke bụ ọta ha na ihe agha ha. Náání ihe ha gaeme bụ iguzo wee hụ ike Ya.

Ogidi igweoji ahụ nke duworo ndị ahụ rue ebe ra otú a, ma o weliri onweya, guzo n'àzụ̀ ọmụma ụlọikwuu nke Israel nke mere na ndị Ijipt apụghị ịhụ ha. Ma n'ebe ndị Israel nọ, ọ bụ ìhè. Otú a ka Okwu Chineke dị taa: nye onyeKraist ọ bụ ìhè na onyendú rue Eluigwe; ma nye onyemmehie nke náajụ kwa ịña Ya ntị, ọ bụ ikpé siriike na ọchịchịrị. Abalị ahụ niile igweoji ahụ dị ukwuu n'etiti ndị Ijipt na ụmụ Israel nke mere na ha apụghị ịhụrịta onweha anya.

Anọchigidere ndị Israel n'akụkụ niile, Chineke wee sị ha gaa n'iru. Ọ̀ bụ na nke ahụ ekwesịghịekwesị? Mgbe ụfọdụ anyị naeche na ihe Chineke nyere n'iwu ekwesịghị ekwesị, ma Ọ naemeghere anyị ụzọ ime ihe ahụ Ọ sịrị anyị mee. Chineke gwara Moses ka o setipụ mkpàn'aka ya n'elu Osimiri Uhie, na mmiri ahụ gaekewa ka ndị ahụ

wee gabiga **n’ala akọrọ.** Ọ̀ gaghị eju gị anya ịbịa n’ọdọmmiri dị ukwuu, mmiri ya ewee kewaa, guzo n’akụkụ abụọ ewee nwee ụzọ esi agabiga n’etiti ya? Ma ọ bụ otú ahụ ka ike Chineke ra. Ụzọ ahụ gaadịworị obosara nke ukwuu n’ihi na mmadụ niile na anụmanụ ha niile gabigara n’otù abalị ahụ.

**Ụgbọala Mebiriemebi**

Mgbe Chineke hụrụ ka ndị Ijipt naeso Ụmụ Israel náaba nime Osimiri Uhie, O mere ka ụkwụ nke ụgbọala ha kwopụ nke meererị na ha apụghị iru ha nso. Tulee ụdị ọgbaaghara dị nime etiti osimiri ahụ: ụgbọala ụfọdụ kwụsịrị n’ihi na ụkwụ ha kwopụrụ; ịnyịnyaibu ha niile naasọ ìsì naagba kwa aghara n’ihi na ha enweghị ike ichere ebe ha náapụghị ịgabiga ndị ahụ nke nọ ná nsogbu; ụfọdụ naeti mkpu ka ndịọzọ chọọ ihe ha gaeme.

Ngwangwa ndị Israel gabigasịrị, mmiri laghachiri n’ọnọdụ ya, wee kpuchie ndị náachụso ha, wee mikpue ha niile. Ọ dịghị otù onye gbapụrụ agbapụ. Mgbe chi bọrọ ndị nke Chineke pụrụ ịhụ́ ozu niile nke ndị Ijipt ka ha dị n’akụkụ mmiri. “JEHOVA we zọputa Israel n’aka ndi Ijipt n’ubọchi ahu.”

**Abụ̀ Nke Moses**

Lee otú obi si tọọ ụmụ Chineke ụtọ! Esiwo n’ịbụ orù ndị Ijipt napụta ha, ebibiwo kwa ndị ahụ náakpagbu ha. Moses duru ndị ahụ n’abụ̀ nke otuto mara ezimma, otù nime abụ̀ makasịrị mma edeworo. Ọ bụ abụ̀ nnapụta ha site n’ebere Chineke. Anyị gụtara n’akwụkwọ Nkpughe banyere òtù Ọzọ ndị bụrụ abụ̀ a, nke anapakpọ Abụ̀ nke Moses ha tinyekwara “Ọlu-Gi nile di uku di kwa ebube Onye-nwe-ayi Chineke, Onye puru ime ihe nile; uzọ-Gi nile ziri ezi, buru kwa ezi okwu, Gi Eze nke mba nile, Ònye nāgagh-atu egwù, Onye-nwe-ayi, to kwa aha-Gi? N’ihi na nánị́ Gi di ọcha n’obi; n’ihi na mba nile gābia kpọ kwa isi ala n’iru Gi; n’ihi na emere ka ezi omume-Gi nile puta ìhè” (Nkpughe 15:3, 4).

Alawo ike nke ajọ onye ahụ n’iyi, egosiwo mmadụ niile ikpé nke Chineke. Dịka esi n’ịbụ orù nke ndị Ijipt nápụta ndị Israel, otú ahụ kwa ka agaesi n’ụwa mmehie a wepụ anyị baa n’Eluigwe, mgbe Jisọs gaabịa. Ngafe site n’Osimiri Uhie bụ ụdị ịwụ anyị mmiri nime mmiri (I Ndi Kọrint 10:1, 2).

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Fero ò kwere ka ndị ahụ laa n’udo mgbe ha malitesịrị?
2. Òlee ndị o zigaara ịchụsọ ha?
3. Gịnị ka ndị Israel mere mgbe ha hụrụ ndị ahụ nke náachụso ha? Ọ̀ bụ ihe ha kwesịrị ime?
4. Òlee otú esi edú Ụmụ Israel n’ehihie? Na n’abalị?
5. Gịnị mere igweoji ahụ mgbe ndị Ijipt bịara nso?
6. Gịnị ka Chineke gwara ndị Israel ka ha mee?
7. Gịnị mere mgbe Moses setịpụrụ mkpàn’aka ya?
8. Òlee otú ndị Israel si gabiga Osimiri Uhie?
9. Ndị Ijipt ha gabigara? Gịnị mere?
10. Gịnị bụ abụ̀ nke Moses bụrụ?